# ỌGARANYA AHỤ NÁENWEGHỊ UCHE
## Luk 12:1-34
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 44 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ka afọ ju unu n'ihe unu nwere ugbu a" (Ndi Hibru 13:5).**

**Ịdị Ogologo Nke Ebighị ebi**

Jisọs bịara n'ụwa ịkụziri ụmụmmadụ ụzọ ha gaesi bie ndụ, ma O kwusịrị ike na ndụ ha n'ebe a bụ̀ náánị ịkwadobe ha maka Eluigwe. Mgbe ndụ a nke dị mkpụmkpụ gabigasịrị anyị gaanọ ebighịebi n'otù ebe, Ọ pụrụ ịbụ anyị na Chineke ịnọ n'Ebube maọbụ anyị na Ekwensu ịnọ nime mmekpaarụ. Ụmụmmadụ ndị náachọghị ijikere izute Jisọs adịghị achọ ichè uche banyere ihe gaeme ma ha nwụọ, ma ụgwọọlụ otú ha si bie ndụ ka ha náaghaghị ịnata ngwangwa dịka ndị ahụ nọ ná njikere gaanata kwa.

Ebighịebi bụ̀ oge dị ogologo, karịa otú anyị pụrụ ịghọta. Ọ ganaaga n'iru si n'ebighịebi rue ebighịebi, n'enweghị mmalite maọbụ ọgwụgwụ. Dịka anyị kwuru na ọ dịghị onye ọ bụla kèrè Chineke, kama na Ọ dịworị mgbe niile, otú a ka ebighịebi dị -- ọ dịworị, ọ gaadịgịde kwa. "Ụbọchi nile nke uwa, malitere mgbe ekèrè ya rue mgbe aga-agbaze ya, apughi iru otù ubọchi nime ebigh-ebi, e, ọtutu ubọchi nile kwa nke ọtutu arọ ya apugh iru otù hour nke ebigh-ebi." Lee mkpà ọ dị na anyị gaejikere izute Chineke n'udo ka anyị wee ghara ịnọ ná mmekpaarụ ebighịebi!

**Ịdị Mkpụmkpụ Nke Ndụ**

Arọòle ka ndụ mmadụ dị n'eluụwa? Devid sịrị, "ụbọchi nile ayi n'elu uwa di ka onyinyo" (I Ihe Emere 29:15). Onyinyo gaanọ n'ebe a nwa oge, n'oge ọzọ o wee pụọ. Otú a ka ogologo ụbọchị ndụ anyị ra ma ewere ya tụnyere ebighịebi. Jemes nwere otù échìchè ahụ n'obi mgbe ọ sịrị, "Ma unu bu ndi námatagh ihe gēme echi. Ndu-unu bu gini? N'ihi na unu bu alulu, nke nāputa ìhè nwa oge, emesia o wee pua n'anya" (Jemes 4:14).

**Oge Adịghị Nye Chineke**

Jisọs tụụrụ ndị ahụ ilu banyere otù nwoke ọgaranya nke ubi ya mmiri ọtụtụ mkpụrụ. O kwesịrị ikele Chineke ekele n'ihi ọtụtụ ihe o nwere: ebe o nwere ihe karịa nke gaezuru ya onweya, o kwesịrị ịgbalị inyere ndị ogbenye aka. Ma ọtụtụ oge mgbe ụmụmmadụ naekpokọta àkụ̀ inye onweha, ha naechefu ndị ogbenye. Ha naèchè otú ha gaeji nweta karịa. Nwoke ọgaranya nke a kpebiri na ọ bụrụ na ọbà nke o nwee apụghị ịnagide ọtụtụ mkpụrụ ala ubi ya, na ọ gaetikpọ ya wee wue nke ka ya ukwuu.

Mgbe ọgaranya ahụ chere na ya eruwo n'ebe dị elu nke otuto ya, mgbe o chere na ya agaghị adọgbu kwa onweya n'ọlụọzọ kama náánị iri na ịñụrịọñụ n'ụbọchị niile nke ndụ ya fọdụrụ náenweghị ihe mgbu, Chineke we gwa ya okwu. O chéfusiwo ihe banyere Chineke, ma Chineke nọ náele ya anya. Chineke échètaraghị ya na ọ ghaghịịnwụ otù ụbọchị, kama O zitere ikpè nke dakwasịrị ya ngwangwa. Chineke sịrị, "N'abali a ka anāchọ nkpuru-obi-gi n'aka gi."

**Ụgwọọlụ Nke Onye Mmehie**

Chineke enyewo mmadụ ọ bụla mkpụrụobi, ọ bụ kwa ọlụ dịrị anyị ịkwadobe ya maka ndụ ebighịebi. Gịnị gaeme ma ọ bụrụ na Chineke gaachọ mkpụrụobi anyị tupu anyị ejikere ya ịbà n'Eluigwe? Jisọs sịrị na agaatụba onye dị otú a "n'ọchichiri nke èzi; n'ebe ahu ka ikwa-akwa na ita ikekère-eze ahu gādi" (Matiu 22:13). Ọ sịrị, "Ma ndia gāpu je ba n'ahuhu-nmehie ebigh-ebi: ma ndi ezi omume gābà ná ndu ebigh-ebi" (Matiu 25:46).

**Anyaukwu**

Jisọs kpọrọ ọgaranya ahụ onye nzuzu n'ihi na o nwere ohere ịchọ Chineke, ma ihe ọ chọsịrịike karịa bụ̀ ịkpadoro onweya àkụ̀ wee lelịa nzọpụta nke mkpụrụobi ya. Oge ụfọdụ ụmụmmadụ naekwere na ha adịghị eme nkeọma site n'ilefuru Chineke anya, ma ha naekwe mkwa na otù ụbọchị na ha gaenye Chineke obi ha, ma ebe ha hụrụ àkụ̀ ha n'anya gabiga òkè, ha agaghị ekwe ịrapụ ya, ọbụná ma ọ naegbochi ha ịchọ nzọpụta nke mkpụrụobi ha.

Ụfọdụ ndị náalụọlụ na Ndịda nke osimiri Pasifik n'oge agha kọwara ụzọ ụfọdụ ụmụ okoro si anwụde ènwè. Ha naawapụ ohere n'otù akụkụ isi akịoyibo wee kwagide ya n'ihe ka ewee ghara ibupụ ya, wee tinye ihenracha (dịka sweet) dịụtọ nime ya ịdọrọ akpịrịènwè ndị ahụ. Ènwè ndị ahụ gaetinye aka ha nimeime iwere ihe nracha ahụ, ma aka ahụ jidere ihe nracha gaakwụkwụchi akwụkwụchi o wee dị ukwuu karịa isi n'ohere ahụ pụta. Kama ịrapụ ihe nracha ahụ gbaa ọsọ, ha gaanọ ebe ahụ kwenye ka ejide ha. Otú a ka Ekwensu gaejide mkpụrụobi nke onye ahụ jụrụ inyefe ihe niile nke ụwa a o nwere n'uche nke Onyenweanyị.

**Nrọpụta Nke Chineke**

Ndụ anyị n'ụwa karịrị ihe ndịa nke anyị naeme kwa ụbọchị nke bụ́ ịlụọlụ, irinri, ịrarụụra, igwùegwú, na ịmụ iheọ̀mụ̀mụ̀. Ndị mmehie naetinye oge ha niile na mmasị ha niile n'ime ihe ndịa, ma Jisọs sịrị na Ya matara ihe niile

náakpà anyị, na Ya Onweya gaarọpụtara anyị. Ọ bụ Ya Onweya kerè anyị ná mmalite, ọ bụrụ na anyị atụkwasị Ya obi wee náachọ ime ihe Ọ naachọ Ọ ghaghị inye anyị ihe niile dị anyị mkpà.

Jisọs gwara ndị ahụ ka ha tụgharịa uche banyere urọdi nke ubi. Ha adịghị echègbu onweha n'ihi ndụ ha, maọbụ otú ha dị n'ile anya, ma "Solomon n'ebube-ya nile, egbokwasigh ya ákwà dika otù nime ndia." Unu matara na Solomon bụ ọgaranya nke ukwuu nwe kwa ike inweta ihe ọ bụla ọ chọrọ. Ma achọpụtawo ụfọdụ nime uwe ododo nke ọ na eyi nke naegosipụta ịbụ eze, ma mgbe etinyere ha n'okpuru enyo nke náeme ka ihe ntà dị ukwuu, apụrụ ịhụ na agwaà eji tejie ha agwakọtaghị nkeọma, eriri eji kpàààkwà ahụ adịghị kwa n'ezi usoro. Ma ọ bụrụ na ewere urọdi ọhịa tinye iberibe akwụkwọ ya n'okpuru enyo nke náeme ka ihe bueibu, ọ gaadị mma n'anya karia otú ọ gaadịworị n'anya efu. Chineke kèrè okoko osisi, nteji ya zuruókè; akpara ya n'ezi usoro. Gịnị mere anyị gaeji chègbue onweanyị banyere ihe anyị ga eyi n'arụ ebe Ezi Onyeọ̀kà bụ Nna anyị Jisọs sịrị "Ọ̀ gāgh-eyikwasikari unu uwe nke-uku unu ndi okwukwe ntà?"

Jisọs kpọrọ ndị nke Ya "igwe aturu ntà" nke naadịghị ike ma ọ bụrụ na ha achọ ije n'onweha; ma mgbe Ezi Onye ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ ahụ naedu ha, igwè atụrụ ahụ naaga "n'akuku miri nke izu ike" wee makpu "n'ebe ita nri nke ahihia ndu" Ọ dị Ya mma inye ụmụ Ya Alaeze Eluigwe, ma ọ bụrụ na ọ bụ n'ebe ahụ ka àkụ̀ ha dị.

**Ụlọ N'Eluigwe**

Otù ọgaranya chọrọ ịnwụ, ma nwa ya nwaagbọghọ ntà amataghị ihe ọnwụ bụ. Nne ya wee kọwara ya na nna ya naagabiga. Nwaagbọghọ ntà ahụ wee bịakute nna ya jụọ ya sị, "Nnam, inwere ulo n'obodo ahụ ebe ị na-aga?" Nwoke ahụ etufusịwo ndụ ya ịkpadoro onwe ya àkụ̀ n'elu ụwa, ma mgbe oge ya ruru ịnwụ o nweghị ụlọ n'Eluigwe. Ka anyị lezie anya ịhụ na anyị naakpadoro onweanyị àkụ̀ n'Eluigwe, ka ọ gaabụ mgbe ndụ nke a dị mkpụmkpụ gabigara, anyị ewee nwe ụlọ akwadobere anyị n'Eluigwe.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere Chineke ji kpọọ ọgaranya ahụ onye nzuzu n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ anyị?
2. Ànaeji ndụ anyị n'ụwa atụnyere gịnị, n'ihe banyere ịdị ogologo oge ya?
3. Ànyị kwesịrị ichegbu onweanyị banyere ihe anyị gaeri maọbụ ihe anyị gaeyi?
4. Àrọ̀le ka ebighịebi gaadị?
5. Òlee ebe ị chọrọ ịnọ ebighịebi?